# Abụ: Ngwa Nkọcha Nhazi Na Mgbazi Akparamaagwa N'ọha Obodo

**Obiageli T. Nsolibe & Jacinta I. Okolo**

Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Ọdụmegwu Ojukwu
Keịgbarịam

**Ụmịedemede**
Abụ dị ka otu ngalaba agụmagụ Igbo jupụtara n'amamihe pụrụ iche. N'ọmụmụ agụmagụ Igbo, a na-elebakarị ọmụmụ agụmagụ ejije na iduuazị anya karịa agụmagụ abụ ma chefuo na ọtụtụ ihe mmụta, nkuzi na mgbazi usoro ime ihe ga-abawanye amamihe mmadụ ma weta udo na agamnihu jupụtara na ya. Nke a ga-akwalite ọdịmma na agamnihu mmadụ na nke obodo. Ọ bụ ya kpalitere nchọcha a nke ebumnuche ya bụ inyocha abụ nkọcha atọ dị n'akwụkwọ *Uche Bụ Ahịa*, 'Obodo m', 'Oge Eruola Mgbe E Ji Awa Anya', na 'Nganga' ndị Ikeokwu na Onyejekwe dere n'afọ 2009. E ji usoro nkọwa mee nchọcha a ma were atụtụ nchọcha funkshọnalizm bụ nke gbadoro ụkwụ na ka mmadụ si akpa agwa n'ọha obodo site n'iso usoro ha wubere. A kọwadara abụ ndị a niile ma zipụta ihe e jiri kwuo na ha bụ abụ nkọcha. Nchọcha a nyochara abụ ndị a, wepụtasịa agwa ọjọọ a na-akpa n'ọha obodo dị ka ndị ọchịchị e jighị ndị ha na-achị kpọrọ ihe, akparamaagwa ịma naanị onwe ha na ọdịmma nke onwe ha, nakwa ọnọdụ enweghị olile anya ndị mmadụ hụtara onwe ha na ya. A na-atụtazi alo ka ndị nọ n'isi gbanwee agwa achọghị m ịma a na-ahụta ebe ha nọ, ka ha were ndị mmadụ kpọrọ ihe, ka ha na-eme ihe ndị nọ n'okpuru ha ga-eji hụta ha ka ndị ọnọdụ ọjọọ ndị nọ ha n'okpụrụ na-emetụta ma jisi ike mee ka ihe kawanye mma.

**Ndubanye**

Oge ọbụla mmadụ gụrụ agụmagụ, ọ bụ ejije, iduuazị na abụ, onye ahụ na-esi na ya mụta ihe ọhụrụ ma mee ka amamihe ya bawanye. A na-esite n'agụmagụ abụ amụta ọtụtụ ihe dị omimi, nke ọtụtụ ndị mmadụ amaghị. Site n'oge gboo, abụ bụ ngalaba agụmagụ nsiripuru ya gbadoro ụkwụ n'ihe mmadụ hụrụla, akụkọ na echiche nke e ji nka tinye na nkebi na nkebi nke dị n'ahịrị n'ahịrị. Ọ bụ agụmagụ nke echiche miri emi na-aka akpalite mmụọ ma na-emetụta n'ahụ. Abụ bụ agụmagụ kacha enye odee ya ohere izipụtara ndị ọgụụ ka ha si hụta ihe ụwa, echiche ha na mmetụta na mkpalite mmụọ ha.
Abụ bụ ngalaba agụmagụ na-eji okwu une, okwu na-akpalite mmụọ mmadụ ma jirikwa nka na okwu miri emi kọwapụta ebumnuche odee. Abụ ederede na-ejupụtakwa n'eziokwu na amamihe. E ji ya akọwapụta ihe na-emegasi n'ụwa n'ụzọ ọ ga-esi metụtakwa onye na-agụ ya n'ahụ. Uche (2009) kọwara na odee abụ bụ onye na-echemi echiche ime, onye nwere anya nka e ji ahụ echiche dị ka o si emetụta n'ahụ ma n'ime mmụọ ya na onye nwere uche n'ebe ihe na-emegasị n'ụwa anyị nọ n'ime ya dị.

Ka abụ siri dị ka mkpa na ndụ ndị mmadụ tụmadụ ndị Igbo mere na e kwesiri ichekwa ya nke ama n'ihi na ọ na-akpalite mmụọ ma na-emetụta n'ahụ dị ka abụ a na-abụ ebe mmadụ nwụrụ mgbe a na-akwa ozu.

Emenanjo (2008) kwuru na abụ dịbu n'ụdị a gụrụ n'ọnụ ma mechaa pụta n'ụdị ederede. Nke a mere ka ọ dị ụzọ abụọ – abụ ọnụ na abụ ederede. E nwere ọtụtụ abụ ederede dị iche iche – Abụ ikpe, abụ gbasara ọchịchị obodo, abụ akwa arịrị, abụ nkọcha, abụ otito, abụ ibu amụma w.d.g. Abụ ndị a niile nwere ihe ha na-etinye n'ọha obodo iji hụ na ihe na-aga otu o kwesịrị. Ọha obodo ọ bụla nwere ka ha siri hazi usoro ebimndụ ha, nkwenye ha na akparamaagwa ha nke

onye ọ bụla kwesịrị ịgbaso. Ọ bụrụ na e soghị usoro ndị a, ihe anaghị aga etu o si kwesi. Nke a na-ebute nsogbu na ọgbaaghara. Ya bụ, abụ abụghị naanị agụmagụ na-eme ka a hụta ihe etu ọ dị kama ọ na-akọwa ihe ahụ n'onwe ya, ọ na-emepụta ihe ndụ mmadụ bụzi. Ọ bụ ya mere Holmann (1972: 62) jiri sị, "Agụmagụ tụmadụ abụ na-ewepụta ụkpụrụ ndị mmadụ ga na-agbaso n'ibi ndụ ma nye aka dozie ihe ndị adịghị mma n'ọha obodo ka e nwee mgbanwe. N'ederede a, a ga-eleba anya n'abụ Nkọcha atọ ndị a : Obodo m, Oge Erụọla Mgbe E Ji Awa Anya na Nganga nke Ikeokwu Enyinanya S. na Onyejekwe May C. dere n'akwụkwọ abụ ha bụ *Uche Bu Ahịa* (2009).

**Ntule Abụ**

Ka ederede nchọcha nye ihe a chọrọ, onye/ndị nchọcha ga-elebaghariri anya n'ihe ndị ọkachamara deerela gbasara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Nwa/ndị nchọcha na-eme nke a ka ha were kwenye ma ọ bụrụ na ọ dabara ma ọ bụ gbaghaa ihe ha deerela ma ọ bụrụ na ọ dabaghị n'echiche nke ha maka isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Ụdị abụ anyị si họrọ abụ ndị anyị ji me nchọcha na ya bụ abụ nkọcha.

Abụ dị ka Allen (1994: 986) si kwu, "... bụ aha izugbe e nyere agụmagụ nka bụ nke e ji ekereuche zipụta echiche, mmetụta na mmụọ ma ọ bụ akụkọ tụmadụ nke e ji atụmatụokwu were gosipụta". Nkọwa a gosịrị na abụ na-eji atụmatụokwu arụ ọrụ. Abụ na-enyere ode abụ aka izipụta echiche na metụta o nwere gbasara ihe ọ na-ede maka ya. N'ikwado echiche a, ka Nze (2010) na-akọwa na abụ bụ nzimozi nke si n'obi pụta nke e nwere ike dee n'akwụkwọ ma ọ bụ zipụta ya n'ọnụ, nke a na-eji okwu a pịrị aka ma ọ bụ okwu nka were detuo ya n'akwụkwọ. Odee gara n'ihu kwuo na a na-akpị okwu abụ

akpị mgbe a na-ede ya. Na ntinye nke ya, Akporobaro (2008) siri na abụ metụtara ụzọ ọbụla mmadụ si jiri ndanusoro gosipụta ekereuche na ka o si hụta ụwa ọ nọ n'ime ya. N'ịga n'ihu Gillespie, Fonseca na Sanger (1996: 989) sịrị, "Abụ bụ mbufega mmetụta na mmụọ sịrị ezigbo ike". Ikedimma (2008) sịrị na abụ bụ umeokwu e ji echiche miri emi ewepụta. Ọ si na ọ dabara n'ụdị agụmagụ nke echiche miri emi wee wepụta ọgbara okwu abụ ederede na-adị nkenke ma bịakwa na-adị na nkeji na nkeji.

A hụtara na ndị odee abụ n'Igbo na-ede n'ọtụtụ ihe na ọtụtụ isiokwu. Ndị ode abụ bụ ndị amụma, ndị ndozi, ndị na-etinye anya n'ọchịchị, ndị ikpe/nkọcha, ndị na-ezipụta ka ihe si eme, ndị na-eto ihe e mere nke ama, ndị nkuzi na ọnụ na-ekwuru ọha. Ikeokwu (2002) sịrị na ndị ode abụ bụ enyo e ji ahụta ọhaobodo. Ọ na-ahụta onwe ya dị ka onye ọ bụ ọrụ ya ime ka ọhaobodo mara ka ihe si aga n'obodo. Abụ ha nwere ike bụrụ abụ nkuzi, ndụmọdụ, akụkọ, nkọcha na ndị ọzọ, mana na nchọcha a, a ga-ede n'abụ nkọcha.

## Abụ Nkọcha

Abụ nkọcha bụ abụ e ji akọcha ihe ọjọọ na-eme n'ọha obodo. Ekwealor (2009) siri na abụ nkọcha/ikpe bụ abụ na-akatọ ma kpechaa ajọ akparamaagwa, omume adịghị mma ndị mmadụ na-eme n'ọha obodo. Ihe ụdị abụ a na-arụ bụ imeghe ma ọ bụ kpughee ajọ akparamaagwa ụmụ mmadụ na-eme n'ọha obodo. Abrams (2003) na nkọwa nke ya kwuru na abụ nkọcha bụ ụdị ọrụ nka na-ebutu ma ọ bụ jiri ụzọ mkparị kọchaa ihe ọjọọ a na-eme n'ọha obodo site n'iji ịkwa emu, ime akaje, nleda anya na e jighị kpọrọ ihe were gosi agwa ahụ. E lee anya na nkọwa Abrams, a ga-ahụ na ode abụ nkọcha na-enwe ụzọ dị iche iche o si akọcha ihe ọjọọ na-eme n'ọha obodo. Nke a gosiri na ode abụ nwere ohere iji akanka abụ ọbụla masịrị ya.

agwụna (2017) kọwara na abụ ikpe bụ abụ ndị ahụ na-akatọ ihe ndị adịghị mma ndị mmadụ na-eme n'ụwa anyị nọ n'ime ya. Ọ sịrị na a na-eri n'abụ ikpe akọcha ajọ akparamagwa ndị mmadụ ka ndị ahụ were kwụsị ịkpa ụdị agwa ahụ.

Abụ nkọcha bụkwa abụ na-akọcha agwa na omume rere ure, mmadụ ọjọọ, ọdịdị ọjọọ, dgz. Abụ nkọcha ọdịnala bụ iji kụzie ezi agwa, gbaa agwa ọjọọ n'anwụ iji mee ka isi a hụrụ kwaba okpu were ire gụọ eze ya ọnụ were gbanwee mebe ezi omume maọbụ kpawa ezi agwa. E nwegasịrị olu e ji ezipụta abụ nkọcha. Ịmaatụ, Odeabụ nwere ezi mkpali ịkọcha agwa ọjọọ na-ataghị okwu eze ma ọ bụ iwere olu nwayọọ na-arịrịọ ma na-akọwa maka agwa jọrọ njọ nke ukwu. Ikeokwu na Onyejekwe ji nnọọ nwayọọ wee wepụtasịa ọtụtụ ihe na-eme n'abụ ndị a họọrọ nke ọhanaeze ndị nke katọrọ agwa a na-agbarụrụ ihu nke ukwu ma na-akụzi ka a gbanwee omume ahụ.

## Ntule Abụ Ndị A Họọrọ

### OBODO M

Obodo m
Chineke gọziri agọzi
Nwere ala akụmaakụubi
Kwesiri onye ọrụubi ịtụkwasị obi
Nke na-amịpụtara
Mmadụ niile n'ime ya, ego
Ego ị na amịpụta bụ nke ọgaranya
Ọ bụghị nke ogbenye

Obodo m
Chineke tere mmanụ
Na-amụpụta mmanụ petrolu,

Karajiin na dizeelụ
A na-ekwudị maka
Mmanụ añụ na mmiri ara ehi
Gịnị kpatara na ogbenye
Na-ebe akwa kwa ụbọchị?
Na-ata ikikere eze afọ niile?
Mmadụ o kwesịrị iji asọ
Na-akwọ aka, ebe osimiri dị?

Obodo dị ka gị
Nke mmanụ ya bara ụba.
Ma atụnyere gị
Obodo ọzọ
Ọgaranya ọpụtaobie.

Ọgaranya na-abawanye,
Na-achawanyekwa
Ogbenye na adawanye,
Na-anwụnyekwa
Ọtụtụ mkpụrụobi na-efu
N'ihi agụụ na ụbọchị ọjọọ
N'obodo a gọziri agọzi.

Ọnọdụ a na-ewute imeriime
Ebe ọ gbasaghị ụfọdụ
Ndị nwe mmadụ na-ajụ
Yakubu, Mohammed, Olusegun,
Aliyu, Buhari, Badamosi,
Sanni, Abdusalami
O – ba – sa – n – jọ
Kedu mgbe ọnọdụ a ga-ebi

Mgbe ogbenye ga-esoro
Racha aka olileanya
N'abụghị akwọ m n'azụ
Ụkwụ a na-akpụ m n'ala.

Ode abụ ji abụ a na-akọpụta agwa ọjọọ ndị ọchịchị ala anyị na-akpa. Abụ a dị na nkebi abụ ise, nke mbụ nwere ahịrị abụ asatọ, nke abụọ nwere ahịrị abụ iri na otu, nke atọ nwere ahịrị abụ ise, nke anọ nwere ahịrị abụ asaa ebe nke ise nwere ahịrị abụ iri na abụọ. Ode abụ ji abụ a ezipụta etu ndụ ụfọdụ ndị ọchịchị siri jupụta n'ọchịchọ nke onwe na agwa achọghị m ịma. Ha na-eme ka ihe na-esiwanyere ndị mmadụ enweghị ihe ike, ma were ihe fachie ntị ha n'ihe a na-ekwu maọbụ ọnọdụ ọjọọ ndị mmadụ nọ na ya. Ha mere ka ndị bụ ọgaranya n'abawanye n'ọgaranya ebe ndị bụ ogbenye ga-atọ n'ogbenye ha bụ. Ndị mmadụ nọkwa, na-akpọtụrụ ụfọdụ ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ọchịchị ma ha gbara nkịtị ihe ọjọọ na ihe isi ike a na-emekpa ndị a na-achị ahụ. Ha na-ajụ mgbe ọnọdụ a ga-ebi.

Ọhanaeze ghọtara ụdị ndị a, lee nkebi abụ nke mbụ, ahịrị abụ nke asaa, nkebi abụ nke abụọ, nkebi abụ nke ise ahịrị abụ bido na nke anọ ruo na nke isii, ahịrị abụ nke asaa, asatọ, iteghete, iri, na iri na otu. Ego ị na amịpụta bụ nke ọgaranya.

Ndị a bụ ndị nwere agwa ọjọọ, bụ ndị weere ihe Chukwu jiri gọzie mmadụ niile dị ka nke onwe ha. Ịma atụ na nkebi abụ nke abụọ, ahịrị abụ nke asaa, asatọ, iteghete, iri, na iri na otu. Ogbenye na-echetara ọgaranya ka uche ya dị n'ọnọdụ ọ hụtara onwe ya na ya.

Gịnị kpatara na ogbenye

Na-ebe akwa kwa ụbọchị?

Na-ata ikikere eze afọ niile?

Mmadụ o kwesiri iji asọ

Na-akwọ aka, ebe osimiri dị?

Ode abụ kwuru na edi sọrọ ha ọnụ n'ihi na ha anaghị anụ akwa arịrị ndị mmadụ n'ebe na mkpesa ha. Ịma atụ:

Ebe ọ gbasaghị ụfọdụ

O zipụtara na echiche nke e chemiri ime ka a ga-eji kọwapụta mpụtara ihe omume a n'abụghị ile ha anya n'elu n'elu, nke pụtara na ọ dịghị mfe nchọpụta. Naanị onye uche ya dị nkọ ma kaa aka ga-enweta ezi nkọwa ụdị ndị a na-ekwu maka ha. Ode abụ pịrị aka apị wee họrọ okwu o jiri dee abụ a. Nke a bụ ezi abụ nkọcha n'ihi na abụ a na-akatọ ajọ agwa ndị ọchịchị mgbe ha na-achị ọchịchị gbakụta ndị ha na-achị azụ.

Ode abụ nyere abụ a aha kwesịrị ya nke o sitere na nkwuwa wee wepụta ma gosipụta ihe na-eme n'obodo anyị n'oge a ebe o metụtara ndị ọchịchị na ndị ha na-achị.

Ode abụ na-ekpecha ha na-arụ ha aka n'ihu mgbe ọbụla dị ka mgbe ọ na-asịkarị "Obodo m" nke pụtara na ọ pụrụ iche n'ụdị na o kwesịrị ịbụ obodo ọma mana ka o si akpọ ya na-ezikarị ihe ọjọọ. N'abụ a niile e nwere ndanusoro mgbe ode abụ na-ede kwunkwukwasị okwu, nke bụ n'uche ịtụ ndị ọjọọ ahụ aka n'ihu.

**Agwa ọ na-akatọ bụ**

- Agwa achọghị m ịma.
- Ọnọdụ ihe isi ike.
- E nweghị olileanya maka ihe ịdị mma.

**Nkuzi**

- Ọ na-akụzi ka anyị kpachara anya n'ihi ntụkwasị obi ebe ndị ọchịchị anyị nọ.
- Ọ na-akụzị ka anyị were akọ na uche anyị were họpụta ezigbo ndị ọchịchị hapụ ile anya n'ọnụ ụtọ ha mgbe ha na-achụ nta vootu.
- Ọ gbara agwa ọjọọ e nwere n'ebe ndị ọchịchị anyị nọ n'anwụ.

## OGE ERUOLA MGBE E JI AWA ANYA

Oge eruola mgbe anyị
Ga-awa anya
Oge e ji eche echiche ịwa anya.
Oge e ji agụ eze ọnụ
Onye ụjọ abịala
Nga anyị na-awa anya o.

Ahụhụ emesiela anyị ike
O teela mgbe anyị
Ji akpụ ụkwụ n'ala
Jupụtara na mkpagbu na mmegbu
Ọnụma ekeele anyị obi o.

O teela mgbe anyị
Ji ata ikikere eze
Mgbe anyị ji eze
Ekpe emumere nkwụ
O teela mgbe egbe igwe
Ji ada anyị n'isi
Obi agbawaala anyị.

N’isi obodo mba ojii
Mmadụ na-enu komikomi
Bụzị ụlọakwa
Oke iwe juru anyị obi
Oke ntakasị ahụ juru
Oke mgbakasị ahụ
Wekwara oche ebe niile
Ọkụkọ hapụ mma gburu ya
Ọ tụgọwara ite ofe olu.

Ndị isi obodo mba ojii
A na-esi n’ụlọ mara mma
Pụọ ama
Ndị nọ n’ocheeze
Na-akụ ngazị n’eze
Na-ekwe onwe ha n’aka
Ngwere si n’elu daa
O nweghị onye toro ya
O too onwe ya
Ndeewonụ!

Ha na-etu ọnụ onwe
Kama nke obodo
Ha bụkwa afọ ime
Ọnwa asaa asaa na-akpaghaṛị
Izu ohi ka ha na-amụ
Ebe ha zukpọcharala ihe dum
Ka ụmụaka isiike
Na-azọ mmiri ara nne.

Lee anya n'ebe niile
Ogbenye kwụ n'ezi
Na-ekpo ahịhịa
Na-atụtụ iperipe na iperipe
Dapụụrụ ụmụ danda
Nkịta si n'aka nna ya ukwu
Lere anya ruo n'efere
Gaa n'ọnụ, sị "Ọraayị"
Oge eruola ịwa anya.

Ewo! Obodo m
Olileanya adịghịkwa
Ụmụ mmadụ na-eche
Mgbe a ga-adọnye ha n'ili
Mgbe ihe wetara ha n'ụwa
Ga-ewekwara ha
Ka anyị para ete.

Obodo m, ewo!
Bụ anụ ezi
Chukwu tere mmanụ
Obodo tere mmanụ
Obodo jupụtara na mmanụ añụ
Na mmiri ara ehi
Akụ na ụba anyị n'ijeri n'ijeri
Mmanụ na-asọpụta n'anyịm n'anyịm
Onye ụjọ abịala ebe a na-awa anya.

Kedụ mgbe ọ ga-ebi?
Kedu mgbe anyammiri
Ga-aghọrọ anyị ọchị

Ọ bụ na e nweghị
Onye ga-ekwu?
Onye ga-aka?
Rọọliinsị, bịa waa anya!

Abụ a bụ abụ nkọcha, ọ na-akọtọ ọnọdụ ndị ọchịchị anyị dobere anyị na obodo anyị na ya. Abụ a dị na nkebi abụ iri, nkebi abụ nke mbụ nke mbụ dị ahịrị abụ isii, nke abụọ dị ahịrị abụ ise, nke atọ dị ahịrị abụ asaa, nke anọ dị ahịrị abụ iteghete, nke ise dị ahịrị abụ iri, nke isii dị ahịrị abụ asatọ, nke asaa dị ahịrị abụ iteghete, nke asatọ dị ahịrị abụ asaa, nke iteghete dị ahịrị abụ asatọ ebe nke iri dị ahịrị abụ asaa. Abụ a bụ abụ nkụzi ma bụrụ abụ nkọcha na ọnụma. Ọ dị nkenke ma nghọta ya dị omimi ma dịkwa mfe.

Ode abụ, hụtara ajọ ọnọdụ ndị ọchịchị anyị dobere anyị na obodo anyị na ya. A bịa n'obodo anyị, onye ọbụla nọ n'ahụhụ. Ode abụ mere ka abụ a dị nkega atọ, nke mbụ na-akọwa maka ahụhụ dị iche iche ndị mmadụ na-ata site n'aka ndị ọchịchị, na nkebi abụ nke mbụ, nke abụọ, nke atọ, nke asaa na nkebi abụ nke iri gosipụtara ya nke ọma n'uju ya nke mere na, na nkebi abụ iri ha were na-ajụ olee mgbe ihe ndị a niile ga-ebi. A bịa na nkega nke abụọ, ode abụ kọwara ihe niile Chukwu ji were chọọ obodo anyị mma, ma ndị ọchịchị anyị nọdoro ya ala. Nke a pụtara ihe na nkebi abụ nke anọ, asatọ na nkebi abụ nke iteghete. Na nkega nke atọ, ode abụ gbara ndị ọchịchị n'anwụ nke a pụtara ihe na nkebi abụ nke isii. O mere ka a mata na ndị ọchịchị na-etu oke ọnụ ma bụrụkwa ndị ohi.

**Agwa ọ na-akatọ bụ:**

- Agwa mmegbu.
- Ọnọdụ ihe isi ike
- E nweghị olileanya maka ihe ịdị mma.

**Nkuzi**

- Ọ na-akụziri anya ka uche anyị dị ya n’ebe ndị ọchịchị anyị nọ.
- Ọ na-akụzi ka anyị were akọ na uche anyị were rụọ ọrụ, hapụ ile anya n’ọnụ ụtọ ha mgbe ha na-achụ nta vootu.
- Ọ gbara agwa ọjọọ e nwere n’ebe ndị ọchịchị anyị nọ n’anwụ ka ndị mmadụ mata ha ma gosi ekwenyeghị ha n’ihe ọjọọ ndị ahụ.

**NGANGA**
Onye pụrụ ịkọwa gị?
Ị laala ndị mmadụ n’iyi
I gbuola ọtụtụ mkpụrụ obi
Ọ bụ gịnị kpatara nke a?
Ọ bụ echiche gbagọrọ agbagọ.

Onye ị batara n’ime ya
Echiche ya agbanwee
Okwu ọnụ ya agbanwee
Ọgịgara ije ya
Ọchịchọ obi ya
Agbanwechaa kpam kpam

Ịbata ebe ndị mmadụ nọ
Ị chọwa ka ahụta sọọsọ gị
Ilee mmadụ ibe gị
Ọ bụrụ ndanda
Ịhụ mmadụ ibe gị
Idosa ihu ka nsị
Ọ na-esi gị
Onye kwuo okwu
Imee ya onye nzuzu.

Okwu gị niile agwụchala
Ịma onye m bụ?
I mee mụ egosi gị ntị gị
Ị chọghị mmekọrịta ibe
Nke i ji achọ ọbịa n'ụlọ gị
Ihe i nwere adịghị efere mmadụ
Ihe ị chọrọ bụ naanị nkoga, nkoga.

Izuo ụgbọala
Onye hazikwanụ ka gị
Ị rụọ ụlọ
Ebelebe egbuo ụjọ
Ihe gị niile bụ ọpụrụiche
Achọrọ m ịgwa gị
Ụwa ezu oke
Ihe niile ndị a
Ka Solomon
Kpọrọ ihe efu n'elu efu.

Ode abụ na-akatọ ndị na-eme mpako. Ndị ahụtaghị ndị ọzọ ka ihe ọbụla. E kere abụ a na nkebi abụ ise, nkebi abụ nke mbụ nwere ahịrị abụ ise, nke abụọ nwere ahịrị abụ isii, nke atọ nwere ahịrị abụ iteghete, nke anọ nwere ahịrị abụ asaa ebe nke ise nwere ahịrị abụ iri. Ode abụ zipụtara mmadụ ụfọdụ dị ka ndị ngara gburu, ndị na-ejighị ndị ọzọ ha na-ahụ kpọrọ ihe ọbụla. Ode abụ ji ụzọ nkọcha na-akọwa na ndị nganga anaghị eme ihe kwesiri ka ha mee. Onye ọbụla bụ onye nganga echiche ya, okwu ọnụ ya, ọgiga ije ya na akparamagwa ya na-agbanwe ngwa ngwa ọ batara ebe ndị mmadụ nọ. Ọ naghịzị ama onye bụ onye, ndị ọzọ na-abụzi ogiri isi n'ebe ọ nọ. O nweghịzi onye ruru ikwu okwu ebe ọ nọ. O mere onwe ha eze

onye agwana m. Ọ chọrọ ebe ọ batara ọhanaeze amara na ọ batara. O nwee otu ụgbọ ala ma ọ bụ rụọ ụlọ, iri agụba ya. Ọ chọghị onye mere ihe o mere. I kwuo, ị maghị were kwu, o mefuo gị. Odee ji nkebi abụ nke ikpeazụ were na-adụ onye nganga ọdụ ka ọ mata na o nweghị onye ihe ụwa zuuru na ihe ụwa niile bụ ihe efu.

Ode abụ zipụtara ezi nhazi na iji atụmatụokwu dabara adaba were dee abụ a. Ikeokwu na Onyejekwe zipụtara akanka ha n'ide abụ nkọcha a n'ụdị ọ pụrụ iche n'*Uche Bụ Ahịa.*

Ndị ode abụ mere ka a chọpụtachaa ka ha ra bụ mkparị na nleda anya ndị nganga na-ewetara ndị mmadụ n'obodo anyị. Ndị ha na-akparị enweghị ọnụ okwu n'ebe ha nọ, n'ihi nkasido anya. Sọọsọ ihe masịrị ka ha na-eme. Ndị ode abụ ji nọọ atụmatụokwu apịrị aka dị ka mbụrụ, myiri, ajụjụ nzaraonwe were mejupụta abụ a ka ọhanaeze gụọ wee chọpụta ihe niile gbasara akparamaagwa a bụ nganga na etu ha siri chọọ ịgba ya n'anwụ. Ihe ndị a pụtara ihe na nkebi abụ mbụ, ahịrị abụ nke mbụ, nkebi abụ atọ ahịrị abụ nke anọ na nkebi abụ ise ahịrị abụ nke iteghete.

**Agwa ọ na-akọtọ bụ**

- Ndị nganga ahụtaghị ndị mmadụ ndị ọzọ ka ihe ọbụla.
- Nleda anya na mkparị ndị nganga n'ebe ndị ọzọ nọ.
- Ndụ sọ m ga-abụ eze onye kwụrụ a kwatuo ya ha na-ebi.

**Nkuzi**

- Ọ chọrọ ka e nwee ezi mgbanwe n'akparamaagwa ndị nganga/mpako n'ebe ndị mmadụ ibe ha nọ n'ihi na ihe ụwa bụ a lawa a ghara.

**Nchịkọta**

A chọpụtara na abụ nkọcha ndị a họọrọ n'akwụkwọ a bụ *Uche Bụ Ahịa* bụ abụ nkọcha n'ezie n'ihi ya ode abụ gbara onwe ya n'anwụ igosi na o nweghị mmasị etu ndị mmadụ si ebi ndụ ha dị ka ọ dị n''Obodo M', etu ndị ọchịchị obodo siri leghara ihe ha kwesiri imere ndị ha na-achị wee chọrọ mkpa onye ọzọ gawa dị ka n''Oge Eruola Mgbe E Ji Awa Anya', etu agwa ọjọọ dị iche iche si arị ibe ya elu n'ebe o metụtara ndụ mmadụ, etu ndị mmadụ si eche n'ụwa bụ ebe obibi wee chọọ ka ha nọrọ anwụghị anwụ dị ka na 'Nganga'. Nchọcha a mere ka a ghọta na o nwere ndị tọrọ anya n'ala na-ele ihe na-eme n'obodo nke ndị na-eme ya chere na ha zonahụrụ ndị mmadụ. O mekwara ka a nwachapụta na abụ bụ ụzọ e si ezipụta omenala, nkuzi nke ezi omume na ịgba ajọ omume n'anwụ ka ọhanaeze mụrụ akọ.

**Mmechi**

Iji wee kwalite agụmagụ abụ Igbo ma mee ka ndị mmadụ nwee mmasị ịmụ agụmagụ Igbo, a na-agwa ndị mmadụ ka ha kabakwa ahụ gaa n'ihu bido mewe nchọpụta dịgasị iche iche n'ọtụtụ abụ ndị ọzọ ga dị omimi ma na-arụtụkwa aka n'ihe ga na-akụziri ọhanaeze ezi uche, ezi akparamagwa na amamihe dị oke mkpa dị ka ị gbanwe ihe ọjọọ/ọnọdụ ọjọọ ndị ahụtara n'*Obodo M, Oge Eruola Mgbe E Ji Awa Anya* na *Nganga*. E mee nke a ihe ga-adị mma n'etiti ndị ọchịchị na ndị ha na-achị.

**Edensibịa**

Abrams, M.H. (2003). *A Glossary of Literary Terms.* USA: Thomson Higher Education.

Agwụna, S.O. (2017). "Itule Abụ Nkọcha – Ite Boribo ya na etu Abụ a si metụta onye ọbụla. In U.C. Nwankwo, J.I. Obidiebube & J.O. Okafor (Eds), *Readings in Language*. Vol. 1, Onitsha: D Bell.

Akporobaro, F. B. O. (2008). *Understanding poetry: Its language, its forms, its functions*. Lagos: DMODUS.

Allen, R. (1994). *Chambers Encyclopedia English Dictionary*. New York: Edinburgh Chambers.

Ekwealor, C.C. (2009). *Agụmagụ Ederede Igbo n'Ozuzu Oke*. Enugu: Paschal Communications.

Gillespie, S., Fonseca, T. & Sanger, C. (1996). *Literature Accros Cultures.* New York : Allyin & Bacon.

Holmann, C. H. (1972). *A handbook on Literature*. New York: Bobbs – Meriil Company Incorporated.

Ikedimma, E. (2008). *Ụmị Agụmagụ Igbo*. Ibadan: Ibadan University Press.

Ikeokwu, E.S. (2002). The Literary Artist as the Visionary and Mirror of his Society. *African Journal of Research in Education*, *2*(1 & 2), 166 – 173.

Ikeokwu, Enyinnanya S. na Onyejekwe, May C. (2009). *Uche Bụ Ahịa*. Enugu: Format Publishers (Nig.) Ltd.

Nze, A.I. & Imo, Gloria (2010). *Nchịkọta Akwụkwọ Maka Ule Sịnịọ Sekọndịrị*. Onitsha: This Kav Publishers.

Uche, O.C. (2009). The socio-religious significance of taboos in Nigeria. In F. Aghamelu, & C. Asomugha (Eds.), *Readings in African thought and culture*. Enugu: Strong Tower.